# IKPÉ NKE IKPEAZỤ̀ AHỤ NA NNAPỤTA ESI N'IJIPT NÁPỤTA

## Ọpupu 11: 1-10; 12:1-51

### IHE-Ọ̀MỤ̀MỤ̀ 56 - Nke Ndi-etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Mgbe M'huru ọbara ahu, M'gāgabiga unu" (Ọpupu 12:13).**

**Mmeri Naabị a**

Oge Chineke gaeme ka ndị Ya site n'ibu orù baa ná mmeri eruwo! O gosiwo ike Ya dị ukwuu n'ụzọ pụrụ iche nke mere na ọ dịghị onye ọ bụla nọ n'ala ahụ gaekwu na ọ dịghị mgbe ọ nụrụ banyere Chineke. Ọtụtụ chi nwoke na chi nwanyị nke ndị Ijipt naefè enweghị ike inyere ndị náefè ha aka n'oge óké mkpà ha. Urù gịnị ka ọ bara ifè chi náapụghị imere gị ihe ọ bụla?

Lee otú Chineke nke Baịbụl si dị iche! O kwewo anyị mkwà na ọ dịghị otù agịrịisi nke isi anyị nke gaala n'iyi. Nke a pụtara na Ọ naahụ́ ọbụná ihe dịkarịsịrị ntakịrị. O kwuwo sị "N'ihi na JEHOVA, anya-Ya nējeghari n'uwa nile, igosi Onwe-ya onye di ike n'akuku ndi obi ha zuru òkè n'ebe Ọ nọ" (2 Ihe Emere 16:9). Ọ bụrụ na anyị naadị ndụ ime ihe gaatọ Chineke ụtọ Ọ gaelekọta anyị anya nkeọma.

N'iheọ̀mụ̀mụ̀ nke a, Chineke sịrị na Ya gaelekọta ndị nke Ya anya nkeọma rue na nkịta agaghị araghar̥ị ire ha imegide ha maọbụ imegide anụmanụ ha. Ma gịnị gaje ime ndị Ijipt? Ọnwụ gaje ịdị n'èzínaụlọ ọ bụla. Anaagụ nwa mbụ nke eburu ụzọ mụọ n'èzínaụlọ ọ bụla dịka ihe dịkarịrị óké ọnụahịa, ma ọ bụ ha ka ikpé nke a gaadakwasị. Chee uche otú èzínaụlọ ọ bụla gaesi rie uju mgbe nwa nke ha hụkarịsịrị n'anya gaanwụ n'otù ntabianya! Ọ gaabụ ahụhụ dị ukwuu karịa na egburu mmadụ niile, n'ihi na ọ bụrụ otú ahụ ọ gaghị adị onye fọdụrụ iru uju.

**Nnọchi Anya (Ndochi)**

Ọ bụ ezie na ndị Ju bụ ndị arọpụtara, ha abụghị ndị náenweghị mmehie; ọ bụrụ na ụmụ eburu ụzọ mụọ nke ndị Ijipt naanwụ n'ihi mmehie ha, ụmụ eburu ụzọ mụọ nke ndị Ju gaanwụwọrị, n'otù aka ahụ, ma ewezuga ọbara ahụ dị n'ebe obibi ha. Èzínaụlọ ọ bụla gaegbu nwaatụrụ wee tekwasị ọbara ya n'elu ọnụụzọ ha na n'awaraụzọ abụọ na n'ofiereụzọ, ọbara ahụ gaabụ ihe ịrịbaàmà nye mmụọozi ahụ náeweta ọnwụ na nwaatụrụ anwụwo n'ụlọ ahụ n'ọnọdụ nwa eburuụzọ mmụọ, mmụọozi ahụ ewee gabiga kwa.

**Ngabiga Ahụ**

Ihe mere n'Ijipt n'abalị ahụ dị mkpà nye ụwa niile na mgbe niile. Otú o si dị mkpà mere ka Chineke gwa ndị Israel na ha gaamalite arọ ọhụụ, wee mee ka ọnwa ahụ bụrụ ọnwa nke mbụ. Site n'ugbu a gaa n'iru ha gaje ibi ndụ ọhụụ. Ha agaghị abụ kwa ndị orù ọzọ, kama ha gaabụ ụmụ Chineke ndị nwe onweha. Ihe ha mere n'abalị a -- iri nwaatụrụ ngabiga ahụ -- ka ha ganaeme site n'arọ rue n'arọ "rue mgbe ebigh-ebi," ka ha wee ghara ichefu óké nnapụta nke esi n'Ijipt nápụta ha.

Ugbu a anyị gaahụ́ ihe mere. Chineke nyere ndị ahụ ndụmọdụ dị icheiche pụrụ iche nke ha gaelezianya nkeọma imezu. N'ụbọchị nke iri nke ọnwa ahụ, ha gaarọpụta nwaatụrụ bụ óké site n'igwè atụrụ ha. Ọ gaabụ kwa nke zuruòkè, ya mere ha gaewezuga ya iche rue mgbe ụbọchị nke irinaanọ nke ọnwa ahụ, ilekọta ya anya nkeọma ma eleghịanya, na iji debe ya ka ọ ghara ịbụ nke emerụrụemerụ. N'anyasị nke ụbọchị nke irinaanọ ahụ, ha gaegbu ya, wee were ọbara ya fesa n'ofiere ụzọ na n'elu ọnụụzọ -- ọ bụghị n'ebe anaazọ ụkwụ nke ọnụụzọ, bụ́ ebe apụrụ ịzọ ya ụkwụ. Agaarụ nwaatụrụ ahụ n'ọkụ wee were ihe dị icheiche nke náeluilu rie ya. Anaakpọ nke a nwaatụrụ ngabiga, amakwara ememe ahụ dịka Ngabiga, ndị Ju naasọpụrụ Chineke náedebe ya kwa arọ. Ndị Ju naagbalị idebe ememe a taa, ma ha naarapụ ọbara.

**Nwaatụrụ Ngabiga Anyị**

Otú ọ dị, anyị kwuru na oriri a dị mkpà nye ụwa niile, ọ bụghị náání nye ndị Ju . Chineke ekwewo Abraham, Aisak, na Jekob mkwà na agaesite ná mkpụrụ ha gọzie mba niile nke ụwa, bụ́ nke náekwu banyere Kraist. Nwaatụrụ ngbabiga ahụ bụ ụdị Kraist. Anyị naagụ na I Ndi Kọrint 5:7: "N'ihi na achu-kwa-ra àjà-ngabiga-ayi, bú Kraist." Iwu Chineke naekwu na ọ bụrụ na nwụsị ọbara adịghị mgbaghara mmehie adịghị (Ndi Hibru 9:22); mgbe Jisọs ghọrọ Nwaatụrụ Ngabiga anyị wee wụsị ọbara Ya n'ihi mmehie anyị, ọ dịkwaghị mkpà ọzọ igbu nwaatụrụ kwa arọ na mgbe ememe Ngabiga. Jisọs bụrụ anyị "nwa-aturu nke ọlu ma-ọbu ntupọ nādigh ya n'aru" (I Pita 1:19). Jisọs gbara ọbara wee nwụọ ka onye ọ bụla nime ụwa wee nwee nzọpụta ghara kwa ịnwụ n'ihi mmehie nke ya onweya.

**Ọbara Ahụ Efesara**

Nrubeisi nke ndị Israel nye Moses site n'igbu nwaatụrụ ahụ abụghị ihe zọpụtara ha n'ọnwụ. Ọbụná okwukwe ha nwere na Moses anapụtaghị ha. Agaefesa ọbara ahụ n'elu ọnụụzọ na n'ofiere ụzọ tupu mmụọozi ntigbu ahụ agabiga ha. Otú a kwa ka ọnwụ Kraist n'obe, ọbara Ọ wụsịrị, ọbụná okwukwe anyị na Ya, apụghị ịzọpụta anyị site n'ọnwụ ebighịebi. Ọ dị ihe anyị gaeme banyere ya -- anyị gaekwe ka O fesa Ọbara Ya nime obi anyị.

Anyị pụrụ ime nke a site n'ịbịakute Jisọs ná nchèghar̥ị, nwee mwute n'ihi mmehie anyị wee jikere ịrapụ ha; wee kpee ekpere tupu rue mgbe anyị gaamata na Ọ gbagharawo anyị. Nke a bụ ihe anaakpọ ịmụ́ ọzọ -- ịmalite ndụ ọhụụ, isi náagbụ nke ịbụ orù Setan nwere onweanyị. Anyị kwesịrị ọnwụ n'ihi mmehie anyị, ọ bụ kwa ihe Chineke chọrọ:

"N'ihi na ugwọ-ọlụ nke nmehie bu ọnwu" (Ndi Rom 6:23). Ma Jisọs meere anyị ebere; n'ihi na Ọ nwụrụ n'ihi anyị, anyị agaghị anwụ kwa nime mmehie anyị ma ọ bụrụ na anyị ekwee ka ọbara Ya kpuchie obi anyị.

**Ọ dịghị Ọkpụkpụ Etijiri**

Mgbe arụsịrị nwaatụrụ ahụ n'ọkụ agaeji ihe dị icheiche nke náeluilu rie ya. Ọ bụrụ na enwere nke fọdụrụ nime ya, aga esure ya ọkụ ka aghara inwe nke mebiri emebi. Chetakwa na nwaatụrụ ahụ bụ ụdị Kraist, onye dere Abù Ọma sịrị, "N'ihi na I gagh-arapuru ala mọ nkpuru-obim, I gagh-enye onye-ebere-Gi ka ọ hu nbibi" (Abù Ọma 16:10). Ọ dịghị ọkpụkpụ ọ bụla nke nwaatụrụ ahụ agaetiji, anyị hụrụ na nke a mezukwara. Mgbe akpọgidere Jisọs n'elu obe, ndịagha ahụ wee bịa nso itiji ụkwụ ndị niile akpọgidere n'obe, ha tijie ụkwụ nke ndịmkpọrọ ahụ akpọgidere n'akụkụ Jisọs; ma mgbe ha hụrụ na Ọ nwụworị ha gafe Ya. Devid ebuworị amụma "O nēdebe ọkpukpu-ya nile: Ọ digh otù nime ha nyajiri anyaji" (Abù Ọma 34:20). Ọzọ kwa O mezuru ụdị nwaatụrụ ahụ.

Ndị ahụ niile gaejikere yiri uwe ha, yiri akpụkpọụkwụ ha n'ụkwụ ha, mkpan'aka ijè ha gaadị kwa n'aka ha, jikere ịmalite ijè ha mgbe ha naeri nri ahụ. Eleghịanya iwu a gaabụworị ihe ijuanya nye ha n'ihi na Moses agwawo ha rịị ka ha ghara isi n'ụlọ ha niile pụta n'abalị ahụ rue mgbe mmụọozi ntigbu ahụ gabigasịrị; ònye gaecheworị uche ịmalite ijè n'abalị ahụ?

**Iheotiti Nke Ọnwụ**

Ma n'etiti abalị óké iti mkpụ wee dị. Ihe ọjọọ dị ukwuu emewo Ijipt. N'èzínaụlọ ọ bụla -- site n'obí nke eze rue n'ụlọ anụ náedina -- nwa ọ bụla eburu ụzọ mụọ nwụrụ. Lee ụdị iruuju nke a gaabụ n'ihi na ndị ha hụrụ n'anya anọkwaghị!

Ọ dịghị kwa Moses mkpà ọzọ ịjụ ma Ferp ọ gaekwe ka ndị ahụ laa. Nime abalị ahụ ka Fero kpọrọ Moses na Eron, wee gwa ha ka ha jee chịkọrọ ụmụ ha niile na ìgwèehi na atụrụ ha niile – ka ha mee ihe ọ bụla ha chọrọ ime, náání ka ha laa! Ndị Ijipt niile jere ngwangwa n'ụlọ ndị Hibru wee si ha ka ha mee ngwangwa rapụ ala ahụ. Ha wee gbazinye ha ọlaọcha ha na ọlaedo ha na ihe dị icheiche dị óké ọnụahịa – nke kwụrụ ha ụgwọ, n'ụzọ ụfọdụ n'ihi òfùfè ha fere dịka orù. Akụ̀ ha niile abụghị kwa ihe ọ bụla n'ọnwụ nke chere ha iru.

**Ọpụpụ Nke Dị Ngwangwa**

Ụmụ Israel anọgideghị kwa. Ha bukọọrọ ihe niile ha nwere ike ibu, wee malite ijè. Ha etinyeghị ihe náeko achịcha nime ihe ha ji eme achịcha, kama ha were ya otú ọ dị, wee rapụ ala Ijipt. Narị puku ndịkom isii, náagụghị ndịnyom na ụmụntakịrị, buliri ijè n'abalị ahụ baa n'ọzara. Ọtụtụ ndị gwaraọgwá nke Ijipt ka ọlụebube niile Moses lụrụ metụrụ n'arụ, ha wee soro ha pụọ. Lee ụdị ihe nlereanya nke a gaabụworị! Anaechè na ọ bụ ihe dịka ndè mmadụ atọ ka igwèmmadụ ahụ ndị soro n'ijè ahụ dị, náagụghị igwè ewu na atụrụ niile. Chee uche banyeere olu ụ̀zụ̀ ehi ahụ niile, olu ụ̀zụ̀ igwè aturụ, na uzuzu nke naekoli elu mgbe ha naeji ụkwụ náapụ site n'ala ahụ ebe ha bụ orù!

Mkwà niile nke Chineke kwere ndị Ya nke Ọ rọpụtara ka O mezuru. Ha agaghị echefu óké nnapụta a mgbe ọ bụla, kama arọ niile ka ha ganaeme ememe Ngabiga dịka ihe ncheta. Ha ganaakọrọ ụmụ ha akụkọ banyere óké ihe a merenụ, náeme ka ha ghọta n'ụzọ ọ bụla, óké ịdịmma na ebere nke Chineke. Ọ dị mkpà na ndị nnenanna ganaakụziri ụmụ ha ihe banyere ịhụn'anya nke Chineke, na ọlụ dịrị ha n'ebe Ọ nọ.

Ụmụ Israel nọ n'ụzọ ha ugbu a ijé n'Ala ahụ ekwere ná mkwà. Ma mbuli ijé ha nke a bụ náání mmalite.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị bụ iheotiti ikpeazụ̀? Òle ndị nke a metụtara?
2. Òlee otú Ụmụ Israel gaesi gbanarị iheotiti ahụ?
3. Ònye ka nwaatụrụ ahụ bụ ụdị Ya? Kpọọ aha ụzọ ụfọdụ Jisọs siri mezue ụdị ahụ?
4. Òlee ebe aga edebe ọbara ahụ, ọ bụ n'ihi gịnị?
5. Òlee otú agaesi zọpụta anyị?